# Ozi na nhazi mkpokọta data

## “Ndebanye dọkụmentị njirimara keetitie (IDR)”

## dịka ọ da na isiokwu 13 na 14 nke Iwu Ozuruọnụ maka Nchedo Data (DSGVO)

**Aha na nkọwa mkpọtụrụ nke onye njikwa:**

Bundesamt für Fremdenwesen und Asyl (Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ)
Modecenterstraße 22, 1030 Wien
Ekwentị: +43- 59 133 98 7004
Faksị: +43- 59 133 98 7399
ozi-e: BFA-Einlaufstelle@bmi.gv.at

**Nkọwa mkpọtụrụ nke onye nchedo data:**

Ekwentị: +43- 59 133 98 - 0
ozi-e: BFA-Datenschutzbeauftragter@bmi.gv.at

**Nzube nke nhazi ahụ, nke anyị chọrọ iji data onwe ahụ maka:**

Nzube nke nhazi data dị otu ahụ bụ iji kọwaa otu ndị ọchịchị dịka ọ dị na isiokwu 22b, ngalaba 4 nke Iwu Paspọọtụ gbasara inye paspọọtụ ma ọ bụ kaadị njirimara emechara, ma ọ bụ gbasara usoro dịka ọ dị na iwu gọọmenti etiti nke a.

**Ndabere n’okpuru Iwu maka nhazi ahụ:**

Isiokwu 3, 16, 22a nke Iwu Paspọọtụ, Mbipụta Iwu Gọọmenti Etiti Nọ. 839/1992 dịka edeziri, na njikọta na Iwu Mmejupụta Usoro Iwu Paspọọtụ (PassG-DV), Mbipụta Iwu Gọọmenti Etiti II Nọ. 223/2006 dịka edeziri, na njikọta na Iwu Keọchichi maka Paspọọtụ (PassV), Mbipụta Iwu Gọọmenti Etiti Nọ. 861/1995 dịka edeziri, na njikọta na Iwu E-Gọọmenti (E-GovG), Mbipụta Iwu Gọọmenti Etiti I Nọ. 10/2004 dịka edeziri, na njikọta na Iwu Ndebanye Nọmba njirimara nke onwe (StZReg), Mbipụta Iwu Gọọmenti Etiti II No. 57/2005 dịka edeziri

**Ogologo nke oge aga-echekwa data ahụ:**

Aga-ehichapụ data metụtara usoro ozugbo agaghịzị achọ data dị otu ahụ, mana ọ pekaria mpe, afọ 10 mgbe emere mkpebi, dịka ikosanye ugwu, nke na-enye paspọọtụ. Aga-ehichapụ data site na asambodo enyere otu afọ mgbe njedebe kaadị njirimara, dịka ikosanye ugwu maka paspọọtụ ndị - ọ pekaria mpe mgbe afọ 6 mgbe njedebe oge ndaba paspọọtụ ahụ. Aga-ehichapụ data arịrịọ na mwepụ dabara adaba ma ọ bụ ọjụjụ nke ya nke dị mkpa n’okpuru iwu, ederede ọzọ na usoro na-aga n’ihu mgbe mmecha dị mkpa n’okpuru iwu nke usoro dị otu ahụ. Aga-ehichapụ data paspọọtụ ndị na kaadị njirimara n’otu afọ mgbe njedebe oge ndaba ya, mana o kwesịghị ịbụ ogologo oge karịa afọ 6 mgbe oge ndaba ikpeazụ ha gwụchara. Aga ehichapụ data nke paspọọtụ ndị furu efu ma ọ bụ ekewapụrụ afọ 6 mgbe oge ndaba ikpeazụ ha gwụchara; aga ehichapụ data nke ndochi paspọọtụ ndị furu efu ma ọ bụ ekewapụrụ otu afọ mgbe oge ndaba ha gwụchara. Aga ehichapụ data dịka ọ dị na isiokwu 22a, ngalaba 1, nkeji k nke Iwu Paspọọtụ o kwesịghị ịbụ ogologo oge karịa ọnwa abụọ mgbe ezipụrụ dọkụmentị dị otu ahụ (isiokwu 3, ngalaba 6 nke Iwu Paspọọtụ) ma o kwesịghị ịbụ ogologo oge karịa ọnwa anọ mgbe ezipụrụ ya, na ntinye aka nke Ministrị Gọọmenti Etiti nke Iroopu, Enyemaka maka ibi n’ebe ahụ, na Ihe omume gbasara Mba ọzọ,

ma ọ bụghị na mwepụ dabara adaba, dịka ikosanye ugwu, ọjụjụ nke ya nke dị mkpa n'okpuru iwu ma ọ bụ nkpochapụ nke arịrịọ.

**Ụdị nke ndị na-enweta data onwe:**

Ndị ọchịchị paspọọtụ ọzọ ruru eru n'ebeụlọ; ụlọọrụ nche; Ndị ọchịchị Ndebanye Nọmba njirimara nke onwe, n'okpuru ike akọwara na Iwu E-Gọọmenti

Ndị na-eme usoro: IBM Österreich - Internationale Büromaschinen Gesellschaft m.b.H.; Microsoft Österreich GmbH; Bundesrechenzentrum GmbH.; Österreichische Staatsdruckerei GmbH

**Ikike ndị nke onye na-enwe data ahụ:**

Ikike iji mee mkpesa na Ndị ọchịchị Ọstrịa maka Nchedo Data (1080 Wien, Wickenburggasse 8, ekwentị +43 1 52 152-0, ozi-e dsb@dsb.gv.at) ga-adị dịka ọ dị na isiokwu 24, nkeji edemede 1 nke Iwu Nchedo Data (DSG).

Akọwara ikike nke nnweta na isiokwu 15 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke imezi na isiokwu 16 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke ehichapụ ('ikike iji chefuru otu onye') na isiokwu 17 nke DSGVO.

Enweghị ikike iji rụ ụka dịka ọ dị na isiokwu 21 DSGVO ma ọ bụ ikike na mgbochi nhazi data dịka ọ dị na isiokwu 18 nke DSGVO ga-adị.